# MGBAPỤTA NKE MMADỤ

## Jenesis 3:1-19; Ọpupu 6:1-8; Ndi Efesọs 2:1-7; I Ndi Tesalọnaika 4:13-18

### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 104 – Nke Ndiokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ndi JEHOVA agbaputara agbaputa gālata kwa, were iti-nkpu-ọñu bata nime Zaiọn; ọñu ebigh-ebi gādi kwa n'isi-ha" (Aisaia 51:11).**

**I Mkwà Mbụ Banyere Mgbapụta**

1. Ọnwụnwa nke agwọ ahụ nwara ime ka enwee obiabụọ na Chineke, "Ọ̀ gābu ezie na Chineke siri?" Jenesis 3:1; Nkpughe 12:9
2. Ọdịda nke Adam na Iv n'ọnwụnwa nke Setan, Jenesis 3:2-8
3. Site n'ọbụbụọnụ nke mmehie ekwererị mkwà mgbapụta, "Nkpuru ahu gēchifia gi n'isi," Jenesis 3:9-19; I Ndị Kọrint 15:22

**II Nnapụta nke Ụmụ Israel Ụdị nke Mgbapụta ahụ**

4. Ngọzi Chineke nke pụrụ iche nye Israel n'ihi ọgbụgbandụ nke Ya na Abraham, Ọpupu 6:1-4; Jenesis 12:2,3
5. Mkwà Ya maka "igbaputa" ha pụọ n'orù nke Ndị Ijipt, Ọpupu 6:5, 6; 12:12-14; Levitikọs 17:11
6. Mee kwa ha ndị nke Ya wee kpọbata ha n'Ala Mkwà ahụ, Ọpupu 6:7, 8; 19:4-6

**III Mgbapụta nke Ndị Azọpụtaworo N'oge Dị Ugbu a**

7. Mmadụ n'ọnọdụ nke ndahie ya "ka emere ka ọ dị ndu baa" ná ndụ ọhụụ, Ndị Efesọs 2:1; I Ndị Kọrint 15:45
8. Ụzọ ndahie nke ụwa nke a nke o sooro tupu agbapụta ya, Ndị Efesọs 2:2, 3, 12; Abù Ọma 1:1, 2
9. Mbiliten'ọnwụ nke imemmụọ nke mmadụ ahụ onye agbapụtaworo site na Kraist, Ndi Efesọs 2:4-7; Ndị Rom 6:4

**IV Óké Mmezu nke Mgbapụta ahụ**

10. Ọ dịghị ihe kwesịrị ime ka erue uju dịka ndị ụwa n'ihi ndị ná ararụụra nime Jisọs, I Ndị Tesalọnaika 4:13, 14; 2 Ndị Kọrint 7:10
11. Mbiliten'ọnwụ nke ndị "nwuru" nime Kraist n'oge ọbịbịa Ya, I Ndị Tesalọnaika 4:15, 16; Job 19:22-27
12. Mbubiga nke "ndi di ndu" nime Kraist izute Onyenweanyị na mbara eluigwe, I Ndị Tesalọnaika 4:17, 18; Ndị Hibru 11:5; I Ndi Kọrint 15:51

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke Maka Mgbapụta

Àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke banyere mgbapụta abụghị nrọpụta emeworo mgbe mmadụ dapụsịrị. Ọ bụ ihe atụ̀pụtawororị dịka ihe Chineke bu ụzọ mara si dị tupu òkìkè mmadụ, n'ihi Nwaatụrụ ahụ onye "egbuworo site n'oge itọ ntọala nke uwa" (Nkpughe 13:8). Ọ dịghị anya ekwupụtara ọbụbụọnụ nke mmehie nye ụwa n'ihi ọdịda Adam, náetufughị oge, Chineke, n'ịhụn'anya Ya nke náenweghị nsọtụ banyere mmadụ furuefu, kpughere ọbụná ọkara nke àtụ̀mààtụ̀ Ya nke dị ukwuu banyere mgbapụta. O kwururị ihe banyere Mkpụrụ ahụ nke gaechifịa isi agwọ ahụ, mkpụrụ ahụ bụ Kraist. Mesaia ahụ ekwere ná mkwà Ya mere ná mmalite nke akụkọ banyere mmadụ, anyị naahụ́ ka Jọn 3:16 mezuworo, "N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na Ọ nyere ọbụná Ọkpara Ọ muru nánị Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi, kama ka o nwe ndu ebigh-ebi."

### Nnapụta nke Israel Site n'Ijipt

N'ịbànye n'àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke banyere mgbapụta, Ebel wetara ụfọdụ ụmụ eburu ụzọ mụ nke igwe ewu na atụrụ ya. JEHOVA wee lee Ebel, lee kwa onyinye ịnata iruọma ya anya ọma, n'ihi ọbara ahụ awụsịrị, nke ọ bụ ma asị na ọ dịghị, mgbaghara mmehie adịghị. Ya mere n'oge niile nke ndị nnaochie, enwere ọtụtụ mmadụ ndị chọrọrị Chineke ma chọta kwa Ya n'ihi na dịka Ebel, ha wetara onyinye nke sitere n'igwe ewu na atụrụ ha. Ụfọdụ ndịa bụ Noa, Abraham, Job, ndị amụma na ọtụtụ ndịọzọ ndị hụtara amara n'iru Chineke n'ihi na ha ji ọbara chọọ mgbapụta.

Ma nnapụta nke Ụmụ Israel pụọ n'orù nke ịchị ha n'ihe ike nke ndị Ijipt bụ mgbapụta Chineke pụrụ iche nye mmadụ, n'ihi na dịka ha naatá ahụhụ site n'iheotiti nke ndị Ijipt ndị náachị ha n'iheike, otú a kwa ka mmadụ taworo ahụhụ site n'ọnọdụ ịbụ orù nke Setan. "Ụzọ ndị nghọgbu bu nánị nkume." Ná mmalite okwu nke Testament Ọhụụ, okwu a nke bụ **ịgbapụta** pụtara **ịzọpụta**, nke pụtara **ịzọpụta,** site n'ụlọahịa nke Setan dịka apụrụ ikwu ya. Onye mmehie bụ onye erere nye ime mmehie nke bụ na ọ nọ n'ụlọahịa nke Setan. Ọzọ olileanya nnapụta adịrịghị ya rue mgbe agaakwụ ụgwọ nke mgbapụta ahụ. Ọ dịghị nwanna, eyi maọbụ mmadụ ọ bụla nke pụrụ ịkwụ ụgwọ ahụ. Edewo ya sị, "O we hu na ọ digh onye ọ bula di, ibubo we nwua Ya n'aru na ọ digh onye nāriọrọ ayị aririọ" (Aisaia 59:16).

Ọ bụ náání Jisọs nime Eluigwe bụ Onye pụrụ ịkwụ ụgwọ mgbapụta nke mmadụ ya mere, Ọ rapụrụ ocheeze Ya wee bịa n'ụwa ahụhụ nke a iji Ọbara Ya dị óké ọnụahịa kwụọ ụgwọ ahụ na Kalvarị. Obe nke Kalvarị naatụaka ụzọ abụọ -- ọ naatụghachi aka n'oge nke Iwu; náatụ kwa aka n'ọdịn'iru banyere ụbọchị niile nke amara. Mgbapụta ahụ nke Kraist wetara ruru eluụwa dum. Ọ naeweta olileanya nye ọra mmadụ sitere n'ebo niile, mba niile na asụsụ niile. Ọ bụ náání olileanya nke ụwa niile nwere taa.

Chineke nke bi n'Eluigwe nụrụ ịsụude nke Ụmụ Israel, ma site n'ebere Ya. Ọ bịara ịnapụta ha; ma n'ụzọ nke aka Ya na nime àtụ̀màátụ̀ nke Ya, O dupụtara ha pụọ n'orù site n'ogweaka dị elu na aka dịike. O nye ha iwu ka ha were site nime igwe atụrụ ha otù nwaatụrụ náenweghị ntụpọ -- otù nwaatụrụ nye èzínaụlọ ọ bụla, ka egbue kwa nwaatụrụ ahụ, tinye kwa ọbara ya n'ọkwa, ma were ukwu hyssop fesa ọbara ahụ n'ofiere ụzọ na n'awara ụzọ abụọ nke ụlọ ha niile. O wee sị, "Mgbe M'huru ọbara ahụ, M'gāgabiga unu." N'abali ahụ óké itimkpu ákwá dị n'Ijipt. Mmụọozi ahụ nke náetigbu etigbu gabigara n'ala ahụ ma n'ebe obibi ọ bụla nke ọbara ahụ náadịghị nwa ọ bụla nke eburu ụzọ mmụọ nke èzínaụlọ ahụ nwụrụ -- site na Fero n'elu ocheeze ya rue n'anụmanụ nke dị n'ọhịa. Ma ọ dịghị onye nwụrụ na Goshen, n'ihi na ha nọ n'okpuru ọbara. N'abalị ahụ ebe ndị iro ha náapụghị igbochi ha, Ụmụ Israel chịkọtara ibu ha niile wee zọrọ ijè pụọ n'Ijipt site n'odudu nke ogidi ọkụ n'abalị na ogidi igweoji n'ehihie. Ịbụ orù nke ịchị ha n'ihe ike ahụ abụrụwo ihe garaaga!

Ọbara nke nwaatụrụ ahụ n'abalị nke Ngabiga ahụ naatụ̀ aka banyere Kraist. Mgbe náání otù onye ahụ naabịaru akụkụ Jọdan. Jọn Onyeọwụmmiri tiri mkpu sị, "Le, Nwa-aturu Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa"! Itimkpu ahụ nke Jọn Onyeọwụmmiri tiri kwesịrị ịkpọte olileanya n'obi nke onye ọ bụla ibu mmehie na anyịgbu. Óké mmebiiwu jupụtara n'ụwa n'oge dị ugbu a, mere ịhụn'anya nke ọtụtụ mmadụ wee ná ajụ oyi. Ma anyị ka nwereike iso Jọn tie mkpu ahụ: "Le, Nwa-aturu Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa"! Gị onye nọ n'ụlọahịa nke Setan, lee Nwaatụrụ Chineke anya! Lee Nwaatụrụ Chineke anya!

**Mgbapụta nke Ndị Azọpụtaworo N'oge Ugbu a**

Oge Ụmụ Israel gabigara Osimiri Uhie dịka n'ala akọrọ; mgbe ha guzoro n'udo n'ofe ọzọ, na ndị agha nke Fero ndị náachụso ha mikpuru n'ogbu mmiri ahụ, mgbe ahụ dịka ike ha ra, ha tegharịrị egwú ọñụ bụ̀ kwaa abụ̀ otuto nye Chineke ha n'icheta óké nnapụta ahụ nke anapụtara ha. Otú a ka ọ gaadịrị onyemmehie ọ bụla onye chọpụtaworo nnapụta site na Kraist Jisọs. "Ọ buru na onye ọ bula di nime Kraist, ọ bu onye ekere ọhu: ihe ochie agasiwo; le ha aghọwo ihe ọhu."

Pọl Onyeozi ji ọ́mụ́mụ́ ọhụụ tụnyere mbiliten'ọnwụ: "Ma ọbụ unu amagh na ka ayi ra, bu ndi emere baptizim iba nime Kraist Jisus, emere ayi baptizim iba n'ọnwu ya? Ya mere esitere na baptizim ayi likọ ayi na Ya iba n'ọnwụ ahu: ka, dika esitere n'ebube nke Nna-Ya me ka Kraist si na ndi nwuru anwu bilie, ka ayi onwe-ayi we jeghari kwa ná ndu ọhu otú a" (Ndi Rom 6:3, 4). Ya mere onye amụrụ ọhụụ enwewo mbiliten'ọnwụ nke imemmụọ. Ike nke mbiliten'ọnwụ nke Ọkpara Chineke naalụọlụ nime onye ahụ, náagba ya ume iso Chineke jeé ijè n'eziomume na ịdịnsọ dịka Inọk nke mgbe ochie. "Unu-onwe-unu ka O me-kwa-ra ka unu di ndu, mgbe unu nọ n'ọnwu site na ndahie nile unu na nmehie nile unu, nke unu jeghariri nime ha n'oge gara-aga n'uzọ oge nke uwa nka dika onyeisi nke ike nke mbara elu-igwe si chọ, bu mọ ahu nke nālusi ọlu ike nime unu nke ekwenyegh-ekwenye ugbu a …. Ma Chineke, ebe ọ bu ọgaranya n'ebere, n'ihi oké ihu-n'anya-Ya Ọ huru ayi, ọbuná mgbe ayi nọ n'ọnwu site na ndahie nile ayi, O mere ka ayi so Kraist dikọ ndu (ejiwo amara zọputa unu), me kwa ka ayi so Ya si n'ọnwu bilikọ, me kwa ka ayi so Ya nọdukọ n'ebe di n'elu-igwe, nime Kraist Jisus." (Ndi Efesọs 2:1, 2, 4-6).

Ma ọ dịghị onye azọpụtaworo pụrụ ịgọnarị, ebe o nwere ọtụtụ ihe nke ọ gaañụrị óké ọñụ ndụ nke mmeri, ndụ nke udo na ọñụ, nke náeme ka ndụ ọchịchịrị ahụ garaaga dị ka ihe nrọ nke náatụ egwù n'ịtụnyere ha abụọ. Dịka Pọl kọwara ya. "Unu guzoro iche n'ebe Kraist nọ n'oge ahụ, ndị emere-ri ka unu buru ndị ala-ọzọ n'ebe ọnọdu ndi amuru ndị Israel di, unu bu kwa ndi-ọbia n'ebe ogbugba-ndu nile nke nkwà ahụ di, ndi nēnwegh olile-anya, ndi nāmagh kwa Chineke n'uwa" (Ndi Efesọs 2:12). Ihe mgbanwe nke ọ́mụ́mụ́ ọhụụ ahụ naeweta dị ukwuu ri nne nke na ụfọdụ naeme ka agaasị na mgbapụta ha kwụsịrị na njèm ha dịka ndị Kraist n'eluụwa. Ma Baịbụl nwere ihe karịrịakarị nke ọ naagwa anyị banyere àtụ̀màátụ̀ nke Chineke maka mgbapụta.

**Mmezu Ukwuu nke Mgbapụta**

Ná ndị Hibru 9:28 anyị naagụ "Kraist, ebe echere Ya n'iru Chineke nánị otú mgbe iburu nmehie nile nke ọtutu madu, ọ gēme kwa ka ndi nēche Ya hu Ya anya nke ugbò abua, ma nmehie adigh ya, ka ewe zọputa ha." Mmalite nke amaokwu a "Kraist, ebe echere ya n'iru Chineke nánị otù mgbe iburu nmehie nile nke ọtutu madu," abụghị ihe siriike nye onye kwereekwe ịghọta. Nke ahụ, ka anyị maara, na emezuru ya n'ọbịbịa mbụ nke Jisọs mgbe O bururị mmehie anyị n'arụ Ya n'elu obe. Ma akụkọ nke ikpèazụ nke amaokwu ahụ bụ ihe náedozighị anya, "Ọ gēme kwa ka ndi nēche

Ya hu Ya anya nke ugbò abua, ma nmehie adigh ya, ka ewe zọputa ha." Ụfọdụ ndị Kraist naeme ka agaasị na nnwapụta ha dịka ndị Kraist kwụsịrị n'ịgụ mmadụ ná ndị eziomume, náekweghị ihe ọ bụla banyere nwapụta niile ọzọ dị omimi dịka odudonsọ na ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ. Ma o nweghị ihe mgbagwoju anya dị n'igosipụta okwu ndị ahụ ekwuworo -- nzọpụta anyị bụ ihe amaara nkeọma ma jikọta ya na ọbịbịa Ya "nke ugbò abua." Ya mere ịdị mkpà nke okwu ndị a bụ ihe atụpụtara ná nkọwa okwu a; "Ndi nēche Ya." Nke a naechetara anyị ndụmọdụ nke Onyenweanyị Jisọs, "onye were ntachị-obi nọgide rue ogwugwu ihe nile, onye ahu ka agāzọputa" (Matiu 24:13).

Eleghịanya amaokwu olenaole nke eweere site n'ihe odide nke pita Onyeozi gaeme ka òzízí a doo anya nkeọma: "Onye agọziri agọzi ka ọ bu, bu Chineke na Nna nke Onyenweanyị Jisus Kraist, Onye muru ayi ọzọ, dika óké ebere ya si di, ka ayi we nwe olile-anya di ndu, site ná nbilite ahu nke Jisus Kraist si ná ndi nwuru anwu bilite ka ayi we keta nketa nke anāpugh imebi, nke anādigh emeru kwa emeru, nke nādigh atalata kwa, nke edebeworo n'elu-igwe nye unu, ndi ewere ike nke Chineke nēche-nche site n'okwukwe **rue nzọputa nke edoziworo ikpughe n'oge ikpe-azu"** (I Pita 1:3-5).

### Ileanya Ọbị bị a nke Onyenweanyị

Ọ bụ ihe pụtara ìhè site ebe ndịa emetụrụ aka na nzọpụta anyị (maọbụ mgbapụta), site n'ụbọchị ahụ amụrụ anyị ọhụụ bụ ihe náadịgide rue ogologo ijè anyị n'eluụwa rue kwa n'ọbịbịa nke Onyenweanyị -- "Ma ọ buru na ayi n'ejeghari n'ìhè ahu, dika ya onwe-ya nọ n'ìhè ahu." Ya mere mgbapụta naamalite site n'ịgụ mmadụ n'onye eziomume, anaeme kwa ka o zue òkè n'otuto n'óké ụbọchị ahụ mgbe Onyenweanyị gaesi n'Eluigwe rịdata ịbịa kpọrọ Nwunye Ọhụụ Ya nke náechere Ya. Ọ bụ ụbọchị ahụ ka Pọl Onyeozi naarụtụ aka n'ezie nime akwụkwọ ozi ya nke o degara Ndị Efesọs, "Unu eme-kwa-la ihe gēwute Mọ Nsọ nke Chineke, Onye akara unu akara nime Ya rue ụbọchị mgbapụta" (Ndi Efesọs 4:30). Ọ naadụsi kwa anyị ọdụ ike ka anyị náejégharịsi ike náechési kwa ọbịbịa nke Jisọs ike ka ụbọchị nke mgbapụta wee bụrụ olileanya juru n'ọñụ nke obi anyị, nke gaakpali anyị ịnọ ná njikere rue ọbịbịa Ya. "N'ihi na egosiri amara nke Chineke, nēwetara madu nile nzọputa, nādọ ayi aka ná nti ka ayi we ju asọpugh Chineke na agu ihe ọjọ di n'uwa, we di ndu uche zuru òkè na nke ezi-omume na nke isọpuru Chineke n'oge di ugbu a; **nēche olile-anya ahu di ngọzi, na ngosi nke ebube nke Chineke uku ahu, Nke bu kwa Onye-nzọputa-ayi, Jisus Kraist"** (Taitọs 2:11-13). Ndị Kraist ahụ ndị nọ n'anụarụ na ndị daghachiri azụ nke oge a adịghị ejide kwa "olile-anya ahu di ngọzi." Ọtụtụ nzukọ dị icheiche ndị kweworọrị n'ọbịbịa Ya atụfuwo òzízí dị otú a n'uju ya ma ha naasị, "Òle ebe nkwa nke ọbịbịa-Ya di?" Ha ajụwo kwa Kraist ahụ Onye sịrị, "Ọ buru kwa na Mu aga idoziri unu ebe, agajem ibia ọzọ, M'gānara kwa unu nye onwem, ka unu onwe-unu we nọ kwa ebe Mu onwem nọ." Ma n'akụkụ ọzọ, ọ dị igwe mmadụ ndị náekwupụta na ha kwere na ọbịbịa Ya ma ndụ ha naebi naagọnarị ihe ha kwere. Ha apụghị iguzo n'iru Ya n'ụbọchị ahụ. Otú ọ dị Jisọs ka nwere mmadụ -- igwè atụrụ ntà ahụ ndị ọ dị nna ahụ ezi mma inye ha alaeze. Ha naaga n'iru ijidesi olileanya ahụ dị ngọzi ike, ma náesonye kwa n'ekpere nke Jọn Onyemkpughe, "Bia, Onye-nwe-ayi Jisus" (maọbụ), "Ọbụná ugbu a bia Onye-nwe-ayi Jisus."

### Ebe Dị Elu na Ndagwurugwu Dị Icheiche

Ma otú ọ dị enwere akụkụ ndụ ọzọ nke OnyeKraist nime njèm ya n'eluụwa nke adụsịrị anyị ọdụ ike n'Okwu Chineke banyere ya, nke anyị náapụghị ịlefuru anya. Ná mmalite ndụ nke OnyeKraist ọ naenwe ọhụ nke ịnọ n'ebe dị elu ebe enwere nááńí udo n'ọñụ na obiụtọ. Ma mgbe ọ naaga nzọụkwụ olenaole ọ naachọpụta na ọ dị ọtụtụ ndagwurugwu dị omimi nke ọ gaagabiga. N'oge náadịghị anya ka Pita Onyeozi tinyere n'obi nke OnyeKraist échìchè nke ihe "nketa nke anāpugh imebi, nke anādigh emeru kwa emeru, nke nādigh atalata kwa, nke edebeworo n'eluigwe nye unu," na ọ sịrị, "Nke obi nātọ unu utọ nke uku nime ya, ọ bu ezie na emere ka o wuta unu n'ọnwunwa di icheiche nwa oge ugbu a, ma asi na ọ di nkpa, ka nnwaputa nke okwukwe unu, ebe ọ dikariri ọla-edo oké ọnu-ahia nke uku, bu ọla-edo nke nāla n'iyi, ọ bu ezie na anēji ọku nwaputa ya, ka ewe hu nnwaputa ahu na ọ nēweta otuto na ebube na nsọpuru nime nkpughe nke Jisus Kraist" (I Pita 1:4, 6, 7). Jisọs chetaara ndị náesoụzọ Ya na "N'uwa unu nēnwe nkpagbu: ma nwenu obi-ike; Mu onwem emeriwo uwa" (Jọn 16:33). Onyenweanyị kwa, site n'ọnụ Pọl Onyeozi dụrụ anyị ọdụ sị, "Nwam, agula ya n'ihe ntà, bu ozizi Onye-nwe-ayi nēzi gi site n'inye gi ahuhu, ada-kwa-la mba mgbe ọ nātu gi nmehie gi n'anya; N'ihi na onye Onye-nwe-ayi huru n'anya ka Ọ nēzi ihe site n'inye ya ahuhu, Ọ nāpia kwa nwa ọ bula Ọ nānata utari" (Ndị Hibru 12:5, 6). Nke a bụ otù ụzọ nke Chineke ji nime amamihe Ya na nime ebere Ya kwa, náeme ka ndị Ya zue ókè maka Alaeze eluigwe ahụ. Ọzọ Onyeozi ahụ n'onweya gafere ọtụtụ óké mkpagbu ma ọ pụrụ ikwu kwa sị, "Anamagu na ahuhu nile nke oge di ugbu a ekwesigh ka ekwuputa ha ma ele ebube ahu anya, bu nke agaje ikpughe n'ebe ayi nọ." Ọ dị kwa mkpà ka anyị onweanyị, dịka ya onweya, naele anya gafere "nkpagbu-ayi nke di nfe" legide mkwà nke ọbịbịa Ya anya, rue óké ụbọchị nke mgbapụta ahụ. "N'ihi na ala ayi di n'elu igwe ugbu a; site n'ebe ayi nēchesi kwa onye-nzọputa ike, bu Onye-nwe-ayi Jisus Kraist: Onye gēme aru nke ọnọdụ ayi di ala

ka o nwe oyiyi ọhụ, ka ya na aru nke ebube Ya we nwekọ otù udi, dika ilusi-ọlu-ike ahu si di nke o ji pu ọbuná ido ihe nile n'okpuru Onwe-ya" (Ndi Filipai 3:20, 21).

Óké nsogbu dị n'ụwa ugbu a. Ihe náemebiiwu naabaụba, ịhụn'anya nke ndị ka n'etiti mmadụ naajụ kwa oyi. Anyị bi nime oge dị óké egwù. "N'ihi na ayi matara na ihe ekere-eke nile nāsukọ ude, ime nēmekọ kwa ha, rue ugbu a. Ma ọ bugh nánị́ nka, kama ayi onwe-ayi, ndi nwere nkpuru mbu nke Mọ Nsọ, ọbuná ayi onwe-ayi nāsu kwa ude nime onwe-ayi, mgbe ayi nēchesi ido-ka nwa-nwoke ahu ike, bu mgbaputa nke aru ayi" (Ndi Rom 8:22, 23). Jisọs buru amụma banyere ọnọdụ ndịa niile nke gaabịakwasị ụwa na mgbe ikpèazụ, O wee kwu kwa sị, "Mgbe ihe ndịa malitere ime, lenu anya n'elu, welie-kwa-nu isi-unu, n'ihi na mgbapụta unu nēru nso" (Luk 21:28).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Kwue ya n'isi ebe edere ya n'Akwụkwọnsọ ihe metụtara mkwà mbụ nime Baịbụl banyere mgbapụta nke mmadụ?
2. Gịnị bụ ihe ahụ mere mmadụ ná mmalite nke òkìkè nke chọrọ àtụ̀màątụ̀ nke mgbapụta?
3. Èmere àtụ̀màątụ̀ nke Chineke banyere mgbapụta tupu mmadụ adaa ka ọ bụ mgbe mmadụ dasịrị?
4. Kwue ya n'isi ebe edere ya n'Akwụkwọnsọ iji kọwazie ọ̀zị́zá gị.
5. Òlee mgbe mgbapụta nke onyemmehie naamalite?
6. Ọzọ, òlee mgbe ọ naeru mmezu ya?
7. Gịnị bụ óké ihe ahụ nke gaje ime bụ nke ejikọtara ya na mmezu nke mgbapụta nke mmadụ?
8. Gịnị bụ óké olileanya ahụ nke sitere ná mmalite náakpali ezi Nzukọ Kraist iso Onyenweanyị náeje ijè n'ịdịnsọ niile?
9. Dịka OnyeKraist naagabiga mnwapụta dị icheiche n'ụzọ ya dịka onye ọbịa n'ụwa, gịnị bụ ihe náagba ya ume nime mnwapụta ndịa?
10. Ọ bụ n'ihi gịnị ka Chineke ji kwenye ka mnwapụta ndịa bịakwasị OnyeKraist?